Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.8 No.1 March, 2025; p.g. 249 – 258; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

ỌZỤZỤ NKWỤDOSIKE NDỊ NKUZI MAKA AGỤMAKWỤKWỌ ỌRỤ NKA N'ASỤSỤ IGBO N'ỤLỌAKWỤKWỌ SEKỌNDỊRỊ NA MPGHARA ỌWỤWA ANYANWỤ NAỊJIRỊA

(Building teacher Capacity for entrepreneurship education in Igbo language in secondary schools in South East Nigeria)

GLORIA NGOZI UGBOR
Department of Arts Education/Centre for Igbo Studies
University of Nigeria, Nsukka
ugbor.gloria@unn.edu.ng
08067280506

&
UJU CLARA UMO
Department of Arts Education
University of Nigeria Nsukka
chiege.umo@unn.edu.ng
08038948577

Ụmị

Nchọcha a lebara anya na ọzụzụ nkwụdosike ndị nkuzi maka agụmakwụkwọ ọrụ nka n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naijiria. Mbunuche nchọcha a bụ ịmata alaka ọmụmụ asụsụ Igbo e kwesiri inye ndị nkụzi ọzụzụ nay a tinyere ụdị ọrụ nka a tụrụ anya na ha ga-enyefe n'aka ụmụakwụkwọ. Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji wee mee nchọcha a. Onye nchọcha gbasoro usoro nkọwa sọvee wee mee nchọcha ya. E ji usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta ndị nkuzi asụsụ Igbo dị iri asaa e ji mee nchọcha. Ngwa e jiri mee nchọcha a bụ njụmaza bụ nke ihe e depụtara na ya dị iri na anọ (14) n' ime nkeji abụọ. Maka inyocha ngwa nchọcha, ndị nkụzi abụọ na ngalaba amụmamụ Igbo na otu onye nkụzi na-akụzi na ngalaba measurement na evaluation lebara anya na ya, bụ ndị a si na ngalaba mahadum nke Naijiria Nsukka. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.82. E jiri ntụcha mini, ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa ajụjụ nchọcha. Nchọcha e mere gosiri na alaka ihe ọmụmụ e kwesiri inye ndị nkụzi ọzụzụ na ya gụnyere ọzụzụ gbasara omenala Igbo na akara njiri mara ndị Igbo, n'asụsụ Igbo n'agụmagụ Igbo, na nka e ji eso aka ọrụ ndị Igbo na azụmahịa, usoro na nka nkuzi ọhụrụ e kwesiri iji wee kụzie asụsụ Igbo na ndị ọzọ. Nchọputa ọzọ gosiri na ụdị ọrụ nka e kwesiri inyefe n'aka ụmụakwụkwọ gụnyere ime ka mata ihe gbasara ọrụ nka akparakpa na apịrịapị ndị Igbo, ịmụta etu e si esi nri ndị Igbo nakwa ụdị ofe ndị Igbo, ịmụta ihe gbasara ịgụ, ịkụ maọbụ ịgba egwu omenala na ọdịnala ndị Igbo, ịmụta ihe gbasara asụsụ Igbo, nka okwu, ilu na akpalaokwu. Onye nchọcha tụtara alo mkpa ọ dị ndị gọvmentị ịhụ na ndị na- ahazi korikulum Igbo ga- agba mbọ wepụta ohere ebe ụmụakwụkwọ ga- amụ ọrụ nka ọdịnala

Igbo, ma nye nkwado ya n'ụdị ego nakwa inye ndị nkụzi ọzụzụ kwesiri ịnata maka ya na ndị ọzọ.

Ọkpụrụkpụ okwu: Ọzụzụ ndị nkuzi, agụmakwụkwọ ọrụ nka, asụsụ Igbo, omenala Igbo.

Mkpọlite

Agụmakwụkwọ ịnata nka bụ ihe a hụtara dị oke mkpa n'ebe agụmakwụkwọ ugbu a dị maka inyere ụmụakwụkwọ aka n'ebe ịnata nka aka ọrụ dị iche iche ga-enyere ha aka ịkwụdosike n'onwe ha n'oge ihe isike a juvụtara ebe niile tinyere enweghị ọrụ Bekee.Agụmakwụkwọ nkwụdosike a nke asụsụ Igbo gbasara ụmụakawụkwọ ịnata nka aka ọrụ dị iche iche e ji mara ndị Igbo n'ụlọ akwụkwọ. Chukwu (2018) kọwara na agụmakwụkwọ ịnata nka aka ọrụ gbasara ime ka ụmụakwụkwọ tinye aka ha n'ọrụ, na- arụpụta ihe ga-akwalite ọnọdụ akụnụba ha na nke obodo. Ikedioha (2018) kọwara agụmakwụkwọ ịnata nka aka ọrụ ka usoro agụmakwụkwọ e si na ya enyefe n'aka ụmụakwụkwọ ụdị agwa na nka aka ọrụ dị iche iche e ji mara ndị obodo. Nke a dabara n'ihe Ugbor na Ugbor (2018) kọwara na agụmakwụkwọ bụ ụzọ mmadụ si anata amamiihe, nka, ndịmkpa, nkwenye na ezi akparamagwa ii bara onwe ya n'ihe nakwa ọha obodo. Ndị otu atụmatụ agụmakwụkwọ (2014) kọwara na agụmakwụkwọ bụ ngwa na- eweta ịdị n'otu na agamnihu nke mmadụ nakwa obodo. Nke a na- egosi na site n'agụmakwụkwọ na mmadụ dị iche na- amata etu ha ga esi enweta nkwụdosike nke onwe, ịdị n'otu na- agbanyeghị agbụrụ, ekpemekpe, na ọkwa akụnụba. Enweghị obodo na- aga n'ihu maọbụrụ na ha akwụdosighị ike maọbụ na ha adighị n'otu, n'ihi nke a mere ndị otu atụmatụ agụmakwụkwọ ji akọwa mkpa ọ dị ime ka kọrikulum agụmakwụkọ bụrụ nke ga-akwalite ọkwa akụnụba na nakwa otito nke mmadụ na obodo (Adebayo, 2017). Nke a mere ebumnuche agụmakwụkwọ inweta nka aka ọrụ n'ihe mmadụ bu n'uche, ihe mmasịrị ya, na ihe o nwere nka na ya. Site n'agụmakwụkwọ ịnata nka aka ọrụ, ụmụakwụkwọ na- amụta maka ịdịnka na ịdịuchu, ịgba mbọ na nkwụdosike n' inwe ndidi, nsonye na mmekọrịta ndị obodo, mgbasaka na nnọgide/nkwụdosike, ichepụta echiche ọhụrụ na ịghọ aka mgba, maka inweta aka ọrụ niile ha chọrọ. Obodo ọbụla nwere nka aka ọrụ dị iche iche e ji mara ha, tụmadị ndị Igbo.

Ndị Igbo bụ bi na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naijiria, ma bụrụ ndị na-asụ asụsụ Igbo. Ndị Igbo nwere agwa, ụdị mmekọrịta, ọkwa akụnụba na usoro ndọrọ ndọrọ ọchịch e ji mara ha (Aina, 2016). Ndị Igbo a bụ ndị a makwara ka ndị na- agba mbọ, n'ihi ya ha nwere nka aka ọrụ dị iche iche ha si na ya akwalite ọkwa akụnụba ha (Agu, 2019). Ọrụ nka a tụrụ anya na-aga akụziri ụmụakwụkwọ Igbo n'ụlọ akwụkwọ gụnyere:

- ọrụ nka akparakpa na apịrịapị ndị Igbo bụ nke gụnyere ịtụ ihe ọtụtụ na ịkpụ ihe ọkpụkpụ dị iche iche, ịkpa akwa, ịkpa nkata, ute, okpu, etu e si akpụ ụzụ, ịkpa ụdị isi ndị Igbo dị iche iche, etu e si ete uri ahụ na nke aja dị iche iche, etu esi ete nkwụ nakwa ịkpa aka na mgba olu dị iche iche (Eze, 2017).

- Ihe gbasara nri ndị Igbo dịka ịkụziri ha etu e si esi nri ọdịnala ndị Igbo (ji, akpụ, ede, ọna, fịọ fịọ, akịdị, agwa, unere, ọka, ụgba, abacha, nkwọbi, arịbọ,) na ofe ndị Igbo dị iche iche iche dịka ofe ọgbọnọ, ofe nsala, ofe egusi, ofe olugbu, ofe akwụ na ndị ọzọ. Imepụta ngwa e ji esi nri dịka etu e si emepụta mmanụ akwụ, etu e si emepụta ọgbọnọ, etu e si asapụta egusi na ndị ọzọ.

- Omenala na ọdịnala ndị Igbo: ịkụziri ụmụakwụkwọ na ihe gbasara ịgụ, ịkụ maọbụ ịgba egwu ọdịnala ndị Igbo bụ ezi aka ọrụ ga- akwụdosi ndị mmadụ ike, ịmụta na ịchịkọba ihe gbasara asụsụ Igbo, amamihe na akụkọ ọdịnala, ikuzi ha ihe gbasara ụdị ekike ndị Igbo dị iche iche, ịkụziri ha etu e si eme ude akị ndị Igbo nakwa ihe gbasara ọgwụ mgbaraọgwụ na mkpa akwụkwọ ndị Igbo na ndị ọzọ.

Ọ bụ ihe kwesiri na ndị nkuzi asụsụ Igbo ga-akụziri ụmụakwụkwọ ọrụ nka ndị Igbo a niile n'ụlọakwụkwọ, iji kwụdosie ha ike n'ịgba mbọ e ji mara ndị Igbo, iji wee kwdosike ha ike n'ebe ọkwa akụnụba dị karịa ichebe ọrụ Bekee bụ nke na-adịghịzị mfe inweta. Uba (2018) kọwara na nke a ga- enyeaka ịhụ na e nwetara ebumnobi ndị atụmatụ agụmakwụkwọ. Ọ bụ ihe dị mkpa ịmata na ndị otu atụmatụ iwu agụmakwụkwọ nwere ebumnobi ha ji guzobe agụmakwụkwọ tụmadị ka o si gbasata asụsụ epum bido n'ogo praimarị, sekọndịrị ruo n'ogo mahadum. Ebumnobi ndị otu a gbasara agụmakwụkwọ asụsụ epum ka a kọwara n'okpuru:

N'ogo praimarị, ndị otu a, kwadoro na asụsụ epum maọbụ asụsụ gburugburu ebe a mụrụ nwata a ka aga- eji wee kụzie ihe ọmụmụ niile bido n'ogo nke mbụ ruo na ogo nke atọ, tupu e were asụsụ Bekee bido nkuzi n'ogo nke anọ. Okeke (2018) kọwara na ebumnobi a bụ maka uru ọ bara n'ime ka ha mara etu e si eche echiche nke ọma. Ndị otu a kwadokwara agụmakwụkwọ a na- amụ nka na ọrụ aka niile dị n'omenala. N'ịga n'ihu, n'ogo junịọ sekọndịrị, ndị otu atụmatụ iwu agụmakwụwkwọ a, mere ka ọ bụrụ iwu na nwata akwụkwọ ọbụla ga- eme ihe ọmụmụ n'asụsụ epum ya, n' asụsụ Bekee nakwa otu asụsụ epum ọzọ n'ime asụsụ atọ kachasị wee pụta ihe na- abụghị asụsụ epum nke ya. Ebumnobi ime ihe ọmụmụ n'asụsụ epum (Igbo) nke agbụrụ nwata akwụkwọ bụ:

- ịhụ na nwafọ Igbo ọbụla ga- amụta etu e si eji okwu Igbo dị ọkpụrụkpụ, nka asụsụ dịka ilu, akpalaokwu, atụmatụ okwu dịka myiri, mbụrụ, nsinuda, mbịambịa mgbochi, igbuduokwu wee chọọ asụsụ Igbo o ji ekwupụta echiche ya mma nke ọma.

- Ebumnobi ọzọ, bụ igosipụta na ịkọpụta agụmagụ ọnụ ọdịnala dị n'asụsụ Igbo dịka akọmakọ-akụkọ ifo na ihe mmụta dị ya, akụkọ ọkpụ, akụkọ agbụrụ/ala, abụ dị iche iche- dịka abụ mkpaobiọma, nkọcha/ikpe, abụ otito, abụ ngụgụ, egwu ọdịnala- dịka egwu ịkpaobiọma, mmeda obi, egwu ngụgụ nwa, egwu ọmụrụ nwa na ndị ọzọ, ngwa egwuregwu dịka ịzụ eche, ngwa ọmụmụ mkpụrụ edemede asụsụ Igbo.

- Ọzọ, bụ ịhụ na ụmụakwụkwọ nwere mmasị n'ịgụ akwụkwọ ọgụgụ/agụmagụ e dere n'asụsụ Igbo.

- Ihe ọzọ bụ idepụta asụsụ Igbo nke ọma, ma ọ dị n'ụdị edemede dị iche iche maọbụ na ederede nkịtị, site n'iji mkpụrụ edemede Igbo/ọtọgrafị a nabatara, ịkanye akara edemede kwesiri, ịgbaso usoro iwu nsupe asụsụ Igbo dịka o si gbasata ọnọdụ ụdaume, mgbochiume na myiriụdaume n'okwu Igbo, ịma ihe gbasara ọrụ 'na', ịgbaso otu usoro ndepụta asụsụ Igbo dịka ndesa maọbụ ndekọ ọnụ na ndị ọzọ.

- Ọzọ bụ maka izipụta aka nka a tụrụ anya n'ebe asụsụ Igbo dị site n'ịchịkọba na idepụta akụkọ nke nke, idepụta egwu ọdịnala dị iche iche n'asụsụ Igbo dịka egwu ọdịnala

nkịtị, egwu nwa, egwu ọnwa, tinyere izipụta igbe mkpụrụ okwu egwuregwu. Ihe niile a bụ ngwa nkwụdosike maka ime ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu.

N'ogo sịnịọ sekọndịrị, ndị otu atụmatụ iwu agụmakwụwkwọ mere ka asụsụ epum bụrụ otu ihe ọmụmụ a na- eme n'ụlọakwụkwọ, ma bụrụkwa nke a na- ele n'ule WASSCE nakwa NECO. Ebumnobi ndị otu a bụ:

- Ịmata n'uju ihe gbasara ụtọasụsụ Igbo, dịka nkejiasụsụ, nkejiokwo, nkebiahịrị, atụmatụ okwu, nka asụsụ, tensị, na, na ndị ọzọ.

- Ịmata n'uju ihe gbasara omenala na ewumewu dịka omenala ndịmkpa, emume ngafe dịka ili alọ, ibe ugwu, igụ aha, tụmadị emume ntozuoke ntorobịa - ịwa akwa na iru mgbede, emume ngafe nkewa- alụmdi tinyere oke na ọrụ onye ọbụla n'ezinaụlọ, ile ọmụgwọ. A na- amụta ihe gbasara ọjị nke ọma, dịka ọjị dike, ọjị ọmụmụ, na ndị ọzọ, echichi, ekpemekpe ọdịnala, nsọala na ịkpụ arụ, akwamozu n'ala Igbo, iri ekpe na ike ekpe na ọtụtụ omenala ndị ọzọ.

- ịmụwanye ọrụ nka n'uju site n'imepụta ya dịka ihe omume n'ụlọakwụkwọ, nakwa n'ụlọ ọrụ ebe a na - arụ ọrụ ya n'ime obodo, ma nke a ka ha na- amụta site n'ọmụmụ ya, tinyere njem nlereanya.

Site na nkọwa niile a na-egosi na ikuziri ụmụakwụkwọ ọrụ nka ndịa bụ ebumnobi nke ikpe azụ dị oke mkva n'ogo agụmakwụkwọ sekọndịrị. Ka osila dị, imejupụta ebumnobi a ka ọ dị ire pụtara na a ga- enye ndị nkuzi ọzụzụ iji kwado ha nke ọma.

Ọzụzụ ndị nkuzi pụtara iwu, usoro na ohere a mapụtara iji hazie ma kwado ndị nkuzi maka inweta amamiihe, agwa, usoro, na nka a tụrụ anya izipụta ọrụ ha nke ọma na klaasị n'ụlọakwụkwọ nakwa na mmekọrịta na nkwalite obodo (Ilo, 2021). Ọzụzụ ndị nkuzi ebunuche dịka o si gbasta ihe nchọcha bụ ọzụzụ nke onye bugoro onye nkuzi na- anata anatakwasị iji mee ka o tozuoke ma kwụdosike na nkuzi n' ebe amamiihe niile na nka a chọrọ dị maka inweta ebumnobi agụmakwụkwọ n' oge ọbụla. Nke a gụnyekwara mmeremme, mmepụta, ngụwanye akwụkwọ M. ED, Ph. D tinyere ọgbakọ ihe mmụta niile onye nkuzi na-esonye na ya kemgbe ọ bụrụ onye nkuzi. Ntozuoke a na- apụta ihe site n'ịnata amamiihe gbasara ihe ọmụmụ, usoro, nka nkuzi tinyere ihe mgbanwe batara n'ọnọdụ nkuzi na ọmụmụ maka inweta ebumnobi agụmakwụkwọ n'ogo ọbụla. Ụdị ọzụzụ a bụ nke ihe nchọcha a gbadoro ụkwụ na ya, ma nke a gụnyere ọzụzụ dị n'ụdị kọnfurensi, wọkshọpụ, semina na ndị ọzọ. Nke a ka ana- achịkọba maka ndị mere ihe ọmụmụ asụsụ Igbo na- akuzikwa ya n'ụlọakwụkwọ, nke nwere ike ịdị otu ụbọchị, ụbọchị atọ, maọbụ otu izuụka.

Dịka o si gbasata ọzụzụ onye nkuzi asụsụ Igbo kwesiri ịnata, nke a gụnyere:

- Ọzụzụ gbasara omenala Igbo na akara njiri mara ha: Ebe a ka a tụrụ anya na ndị nkuzi asụsụ Igbo ga-amawanye ihe gbasara nka na aka ọrụ dị iche iche e ji mara ndị Igbo dịka ịkpa ihe ọkpụkpa na ihe ọkpụkvụ tinyere ihe ọtụtụ/ihe ọpịpị. Ha ga-anata ọzụzụ ịmata ụdị nka dị iche iche mmadụ ga- enweta site n'asụsụ Igbo dịka nka okwukwu, nakwa ụdị nka e kwesiri inweta site n'agụmagụ nka ederede iji devụta echiche n'ụdị dị iche oche, nka akụkọ iji kwalite omenala na iji jikọta ụwa ọnụ.

- Ọzụzụ gbasara nka e ji eso aka ọrụ ndị Igbo dị iche iche na azụmahịa: N'ebe a ndị ndị nkuzi ga-amata ụdị akparagwa, ezi ụkpụrụ, nsiniwu na ntọala ebimndụ, tinyere nkwenye ọdịnala ha ga-enyefe n'aka ụmụakwụkwọ iji hụ na ha kwụdosirike n'ihe gbasara ịnata aka ọrụ dị iche iche dịka ịdịnka na ịdịuchu, igba mbọ na nkwụdosike n' inwe ndidi, nsonye na mmekọrịta ndị obodo, mgbasaka na nnọgide/nkwụdosike, ichepụta echiche ọhụrụ na ighọ aka mgba, maka inweta aka ọrụ niile ha chọrọ.

- Ọzụzụ gbasara etu e kwesiri isi wee kụzie asụsụ Igbo: Nke a gbasara usoro na nka nkuzi ọgbara ọhụrụ na akwalite inweta nka aka ọrụ, nnwale na usoro nlele ihe a nwalere gbasara nka aka ọrụ, iwebata ihe gbasara inweta nka aka ọrụ mgbe a na- akụzi asụsụ Igbo.

- Ọzụzụ ịmata etu e si agbaziri nakwa elekọta ụmụakwụkwọ a na-enye ọzụzụ: ime ka ndị nkuzi mmata etu e si enwe mmụọ ịnata nka tinyere ịkpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'ebe inweta nka a chọrọ dị.

Ọ bụrụ na ndị nkuzi anata ọzụzụ gbasara ihe niile a gụpụtara n'elu, ha ga- enwe ike inyefe nka aka ọrụ niile kwesiri inye n'aka ụmụakwụkwọ, ma sikwa n'ụzọ a wee kwalite ma chekwaba omenala Igbo na akra njirimara ha.

Nsogbu Nchọcha

Usoro agụmakwụkwọ e nwere na Naijiria bụ nke a chọpụtara na- enye nsogbu ebe ịkwado ụmụakwụkwọ nke ọma n'ebe ịkwụdosike nke onwe dị tụmadị n'inweta nka aka ọrụ nke onwe ma ọ bụ nke inye ndị ọzọ ọrụ. Ihe gbasara nkuzi asụsụ Igbo bụ nke e nwegoro nkọjọ na ndị nkuzi anaghị ewebata ihe ọmụmụ nka na aka ọrụ dị iche iche gbasara ndụ ndị Igbo mgbe ha na-akụzi ya n'ụlọakwụkwọ. N'ihi nke a, ụmụakwụkwọ anaghị enweta amamihe na nka kwesiri iji wee bido azụmahịa maọbụ bido ọrụ nka nke ha, ma ọ bụ chọtanwuo ọrụ Bekee etu o kwesiri. Emeghị nke ọma ụmụakwụkwọ Igbo n'ebe azụmahịa ma ọ bụ n'ebe inweta nka aka ọrụ dị maka nkwụdosike nke onwe eweghị anya ma o sitere n'aka ndị nkuzi akụzighị ha ihe ndị ha kwesiri ịma. N'ihi nke a, ka onye nhọcha ji chọọ ileba anya na mkpa ọ dị inye ndị nkuzi ọzụzụ iji mata amamihe na nka ha kwesiri inyefe ụmụakwụkwọ maka inweta nka aka ọrụ kwesiri.

Ajụjụ Nchọcha

1. Kedu alaka ọmụmụ asụsụ Igbo dị iche iche e kwesiri inye ndị nkuzi ọzụzụ iji mata nka aka ọrụ ha kwesiri inyefe n'aka ụmụakwụkwọ?
2. Kedu ụdị nka aka ọrụ ndị nkụzi kwesiri isite n'ikuzi asụsụ Igbo nyefee n'aka ụmụakwụkwọ?

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha ọmụmụ a bụ usoro sọvee nkọwa. Nworgu (2016) hụtara usoro sọvee nkọwa dịka usoro na-akọwa isiokwu, agwa maọbụ ihe a na-ahụta gbasara ndị e ji eme nchọcha n'usoro n'usoro, n'agbakọnyeghị maọbụ iwepu ihe ọbụla n'ihe a na-ahụta anya oge ahụ a na-eme ya bụ nchọcha. Onye nchọcha hụtara ụdị nchọcha a, dịka ihe dabara n'isiokwu nchọcha ya, ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n'ịmata mkpa ọ dị inye ndị nkuzi asụsụ Igbo ọzụzụ maka

agụmakwụkwọ nka aka ọrụ n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Ndị e ji mee nchọcha kpọmkwem bụ ndị nkụzi na- akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ndị gọvmentị nwe na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naijiria. Ndị e jiri mee nchọcha kpọmkwem bụ ndị nkuzi asụsụ Igbo dị iri asaa bụ nke onye nchọcha gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụ gụnyere usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta. Ngwa e jiri mee nchọcha a bụ njụmaza bụ nke ihe e depụtara na ya dị iri anọ (14) n' ime nkeji abụọ. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe sie n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.80. E jiri ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa nchọcha. Ihe e guzobere maka ịnweta ihe nchọcha bụ nke gbadoro ụkwụ n'usoro liketị ma ihe mpụtara ya bụ nke a KKI – kwere kwesie ike, KE – kwere ekwe, JA – jụrụ ajụ, JKK – jụrụ kpam kpam bụ nke e nyere akara 4,3,2,1. Ọsịsa ọbụla e nwetara pekarịrị 2.50 gosiri ekweghị ekwe, ebe ọsịsa nke ruru akara 2.50 maọbụ karịa gosiri ịguzosi ike kwem maọbụ kwere ekwe bụ nke gbadoro ụkwụ otu e si wee hazie ajụjụ nke ọbụla.

Nchọpụta

Ihe e nwetara site na nchọcha ka e zipụtara na tebul atọ dịka o si gbasata ajụjụ nchọcha abụọ onye nchọcha guzobere.

1. Kedu alaka ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị iche iche e kwesiri inye ndị nkuzi ọzụzụ iji mata nka aka ọrụ ha kwesiri inyefe n'aka ụmụakwụkwọ?

Tebul 1: Mini echiche ndị nkuzi n'ịmata alaka ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị iche iche e kwesiri inye ndị nkuzi ọzụzụ iji mata nka aka ọrụ ha kwesiri inyefe n'aka ụmụakwụkwọ.

S/N	Ndịna	Miin	Ndịpụ n'Izugbe	Mkpebi
1	Ọzụzụ gbasara omenala Igbo na akara njiri mara ha, dịka ọrụ aka dị iche iche e ji mara ndị Igbo	2.64	.60	Kwere ekwe
2	Ọzụzụ gbasara isite n'asụsụ Igbo mmụta nka ekwumekwu maka ọgbakọ ọha	2.71	.61	Kwere ekwe
3	Ọzụzụ gbasara isite n'asụsụ Igbo mmụta nka ederede echekwa ma na-agbasa omenala na akara njirimara ndị Igbo.	2.60	.58	Kwere ekwe
4	Ọzụzụ gbasara nka e ji eso aka ọrụ ndị Igbo dị iche iche na azụmahịa.	2.64	.60	Kwere ekwe
5	Ọzụzụ gbasara usoro na nka nkuzi ọhụrụ e kwesiri iji wee kụzie asụsụ Igbo.	2.79	.68	Kwere ekwe
6	Ọzụzụ ịmata etu e si agbaziri nakwa elekọta ụmụakwụkwọ maka inwe mkpalite mmụọ n'ebe ihe gbasara ịmụ ọrụ nka ndị Igbo dị.	2.58	.56	Kwere ekwe
7	Ọzụzụ ịmata etu e si akọ akụkọ iji gbasaa ihe gbasara omenala na akara njirimara ndị Igbo tinyere ezi nchekwaba ha.	2.65	.65	Kwere ekwe

Mkpoko Miin - 2.71

Tebul nke mbụ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' alaka ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị iche iche e kwesiri inye ndị nkuzi ọzụzụ iji mata nka aka ọrụ ha kwesiri inyefe n'aka ụmụakwụkwọ. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị asaa nke bidoro 1 – 7. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.71 karịrị kraiteriọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ alaka ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị iche iche e kwesiri inye ndị nkuzi ọzụzụ iji mata nka aka ọrụ ha kwesiri inyefe n'aka ụmụakwụkwọ.

2. Kedu ụdị nka aka ọrụ ndị nkụzi kwesiri isite n'ikuzi asụsụ Igbo nyefee n'aka ụmụakwụkwọ?

Tebul 1: Mini echiche ndị nkuzi n'ịmata ụdị nka aka ọrụ ndị nkụzi kwesiri isite n'ikuzi asụsụ Igbo nyefee n'aka ụmụakwụkwọ

S/N	Ndịna	Miin	Ndịpụ n'Izugbe	Mkpebi
8	Ọrụ nka akparakpa, na apịrịapị ndị Igbo bụ nke gụnyere ịtụ ihe ọtụtụ na ịkpụ ihe ọkpụkpụ dị iche iche, ịkpa akwa, ịkpa nkata na ndị ọzọ.	2.64	.60	Kwere ekwe
9	Ịmata etu e si esi nri ndị Igbo nakwa ụdị ofe ndị Igbo dịkwazị iche iche maka ezinaụlọ nakwa nri ahịa.	2.71	.61	Kwere ekwe
10	ịkụziri ụmụakwụkwọ maka ihe gbasara ịgụ, ịkụ maọbụ ịgba egwu omenala na ọdịnala ndị Igbo, ka ha mata na ọ bụ ezi aka ọrụ ga- akwụdosi ndị mmadụ ike ma kwalite ọkwa akụnụba ha nakwa nke obodo.	2.60	.58	Kwere ekwe
11	ịmụta na ịchịkọba ihe gbasara asụsụ Igbo,nka okwu, ilu na akpalaokwu maka inweta nka ekwumekwu n'asụsụ Igbo.	2.64	.60	Kwere ekwe
12	Ịmụta ihe gbasara agụmagụ Igbo nke ọma maka inweta nka akụkọ maka ịgbasa ihe gbasara omenala na akara njirimara ndị Igbo n'ụwa tinyere ichekwaba ya.	2.79	.68	Kwere ekwe
13	Ịmụta etu e si emepụta ọtụtụ ihe na-enye ego n'ala Igbo dịka etu e si eme mmanụ akwụ, etu esi eme ude akị na ndị ọzọ.	2.58	.56	Kwere ekwe
14	Ịmụta etu e si enweta ego site n'amamihe ọdịnala dịka ite nkwụ, ime ọgwụ mgbaọgwụ na mkpa akwụkwọ.	2.65	.65	Kwere ekwe

Mkpoko Miin - 2.71

Tebul nke abụọ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' ụdị nka aka ọrụ ndị nkụzi kwesiri isite n'ikuzi asụsụ Igbo nyefee n'aka ụmụakwụkwọ. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị asaa nke bidoro 8 – 14. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọbụla tinyere mkpoko miin bụ 2.71 karịrị kraiteriọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ ụdị nka aka ọrụ ndị nkụzi kwesiri isite n'ikuzi asụsụ Igbo nyefee n'aka ụmụakwụkwọ.

Mkparịtaụka

Ihe a chọpụtara gosiri na ọzụzụ e kwesiri inye ndị nkụzi asụsụ Igbo gụnyere ọzụzụ gbasara omenala Igbo na akara njiri mara ha, dịka ọrụ aka dị iche iche e ji mara ndị Igbo, isite n'asụsụ Igbo mmụta nka ekwumekwu maka ọgbakọ ọha, isite n'asụsụ Igbo mmụta nka ederede echekwa ma na-agbasa omenala na akara njirimara ndị Igbo, nka e ji eso aka ọrụ ndị Igbo dị iche iche na azụmahịa, usoro na nka nkuzi ọhụrụ e kwesiri iji wee kụzie asụsụ Igbo, ịmata etu e si agbaziri nakwa elekọta ụmụakwụkwọ maka inwe mkpalite mmụọ n'ebe ihe gbasara ịmụ ọrụ nka ndị Igbo dị, ịmata etu e si akọ akụkọ iji gbasaa ihe gbasara omenala na akara njirimara ndị Igbo tinyere ezi nchekwaba ha na ndị ọzọ. Nchọcha a yitere nchọcha Aina (2016) na Ilo (2021) bụ ndị gbadoro ụkwụ na n'ihi na ụwa na- agbanwe agbanwe, e kwesiri ịdị na- enye ndị nkụzi ọzụzụ kwamgbe kwamgbe iji mata ihe ọgbara ọhụrụ, ụdị usoro, ụdị nka na ndịna a tụrụ anya ha kwesiri inyefe n'aka ụmụakwụkwọ. Ihe nchọpụta a na- egosi bụ na ọ bụ naanị mgbe ndị nkuzi mara ma kwadosie ike n'ọzụzụ ha n'ebe asụsụ na omenala Igbo dị ka ha ga-ama mkpa ọ dị ịmata ụdị ọrụ nka ndị Igbo dị iche iche ha kwesiri inye n'aka ụmụakwụkwọ, maka ịbara ha na ọha obodo uru n'ebe nkwụdosike dị.

Nchọpụta nke abụọ gosiri na echiche ndị nkụzi n'ụdị ọrụ nka e kwesiri inye n'aka ụmụakwụkwọ gụnyere ime ka matai he gbasara ọrụ nka akparakpa na apịrịapị ndị Igbo bụ nke gụnyere ịtụ ihe ọtụtụ na ịkpụ ihe ọkpụkpụ dị iche iche, ịkpa akwa, ịkpa nkata, ịmụta etu e si esi nri ndị Igbo nakwa ụdị ofe ndị Igbo dịkwazị iche iche maka ezinaụlọ nakwa nri ahịa, ịmụta ihe gbasara ịgụ, ịkụ maọbụ ịgba egwu omenala na ọdịnala ndị Igbo, ka ha mata na ọ bụ ezi aka ọrụ ga- akwụdosi ndị mmadụ ike ma kwalite ọkwa akụnụba ha nakwa nke obodo, ịmụta na ịchịkọba ihe gbasara asụsụ Igbo,nka okwu, ilu na akpalaokwu maka inweta nka ekwumekwu n'asụsụ Igbo, ịmụta ihe gbasara agụmagụ Igbo nke ọma maka inweta nka akụkọ maka ịgbasa ihe gbasara omenala na akara njirimara ndị Igbo n'ụwa tinyere ichekwaba ya, etu e si emepụta ọtụtụ ihe na-enye ego n'ala Igbo dịka etu e si eme mmanụ akwụ, etu esi eme ude akị na ndị ọzọ, etu e si enweta ego site n'amamihe ọdịnala dịka ite nkwụ, ime ọgwụ mgbarọgwụ na mkpa akwụkwọ na ndị ọzọ.

Nchọcha a yitere nchọcha Okeke (2018) na Agu (2019) bụ ndị gbadoro ụkwụ na ịkwado ọkwa akụnụba na ndụ mmadụ nakwa n'obodo gbadoro ụkwụ n'inyefe ndị na-etolite etolite ọrụ nka maka nkwụdosike nke onwe. Ihe nchọpụta a na- egosi bụ na ọ bụ naanị onye nkuzi nyefere amamihe na nka kwesiri n'aka ụmụakwụkwọ bụ ihe ga-enyere ha aka ịmụta ọrụ nka, ihe gbasara azụmahịa na ezi ntọala ga- enyere ha aka nkwụdosike.

Mmechị na ịtụ alo

Asụsụ Igbo na asụsụ epum ndị ọzọ, bụ ihe nwegoro ọnọdụ n'ebe mmụta dị, ma nke a bụ site na nkwado ndị otu atụmatụ iwu agụmakwụwọ (2004) nakwa ndị otu na- ahụ maka ngalaba agụmakwụkwọ, sayensi na omenala bụ UNESCO. Nkwado ndị otu UNESCO dịka o si gbasata ime ka ụmụakwụkwọ mmụta ihe gbasara ọrụ nka bụ ihe dị mkva na ndụ mmadụ. Nke a mere na ọ dị mkpa inye ndị nkụzi ọzụzụ iji hụ na ha matara ebumnobi a chọrọ inweta site na nkuzi ha, ịmatai he ọgbara ọhụrụ na mgbanwe bata n'ọnọdụ agụmakwụkwọ dịka usoro nkuzi ọhụrụ, nka kwesiri n'ebe nkuzi asụsụ Igbo dị, tinyere Niịna a chọrọ ka ha nyefe n'aka ụmụakwụkwọ. Mbọ niile a, bụ iji hụ na e sitere n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo nyefe ụmụakwụkwọ ọrụ nka ndị Igbo niile ha kwesiri ịma maka nkwụdosike ha. Ọnọdụ a ga- eme

ka ụmụakwụkwọ nweta ezi ntọala ebimndụ dịka nwafọ Igbo, tinyere nka na ọrụaka ndị ọzọ e ji mara ndị Igbo maka nkwụdosike na inwe ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya.

Mmechị na ịtụ alo

N'ihi ihe ndị a chọpụtara n'elu, onye nchọcha tụtara alo ndị a:

1. Ndị na- ahazi ọnọdụ agụmakwụkwọ n'ogo ọbụla kwesiri itinye agụmakwụkwọ maka ọrụ nka na korikulum ihe ọmụmụ niile.
2. Ndị gọvementi ga- ahụ na agbakwụnyere ọzụzụ ndị nkuzi dịka otu ihe mmeremme agụmakwụkwọ maka ntọwanye amamiihe ndị nkuzi nakwa dịka ihe agbamume na ịmata ndịna ha kwesiri ikụzi.
3. Ndị na- ahazi ọzụzụ ndị nkuzi Igbo ga- abụ ndị tozuru oke na amamihe, iji mata ebe e kwesiri inye ọzụzụ ga- abara ndị nkuzi asụsụ Igbo uru, dịka o si gbasata ndịna, usoro, na nka a tụrụ anya.
4. Ndị gọvementi ga- ewepụta otu ga na- elenyere ndị nkuzi natara ọzụzụ anya iji gbaziwanyere ha, tinyere ịhụ na ha na - enwetakwa mgbaziwanye n'etiti onwe ha.
5. Ndị gọvementi ga- ewepụtakwa otu ga na- elenye anya n'ụdị ọzụzụ a na- enye ndị nkuzi asụsụ Igbo iji hụ na ọ bụ otu dịka o si gbasata ndịna, usoro na nnwale.
6. Ndị gọvementi ga- ewepụta ego ma nye ezi nkwado site n'ịkwụrụ ndị nkuzi ụgwọ ọzụzụ a, igonye ha akwụkwọ e ji eme ọzụzụ a, inye ha ihe oriri nakwa ụlọ obibi ha ga-anọ ganye na- emecha ihe ọmụmụ a.
7. Ndị na- ahazi ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ kwesiri ịhụ na ụmụakwụkwọ sekọndịrị niile ga- enwetarịrị ọzụzụ n'ọrụ nka tupu ha ga- agụcha n'ogo sekọndịrị.

Nrụaka

Adebayo, A. (2017). Entrepreneurship education and youth empowerment in Nigeria. Journal of Youth Studies, 20(1), 1-12.

Agu, C. (2019). Igbo language and culture: A study of the impact of globalization. Journal of Language and Culture, 8(1), 1-10.

Aina, O. (2016). Entrepreneurship education in Nigeria: Challenges and prospects. Journal of Entrepreneurship Education, 19(2), 1-12.

Chukwu, O. (2018). Entrepreneurship education and economic development in Nigeria. Journal of Economic Development, 23(1), 1-12.

Eze, U. (2017). Igbo language teaching and learning in Nigeria: A review of the literature. Journal of Language and Linguistics, 16(2), 1-15.

Federal Republic of Nigeria (2014) national policy on education revised (4th edition) Abuja, NERDC Press.

Ilo, L. (2021). Capacity building strategies. Retrieved from http://www.google.com.

Ikedioha, K. (2018). Reforms for capacity building of language teachers. Retrieved from http://www.google.com.

Lackéus, M. (2015). Entrepreneurship education: A systematic review. Journal of Entrepreneurship Education, 18(1), 1-18.

Nworgu, B. G. (2006). *Educational research, basic issues and methodology*. Nsukka, Enugu: University Trust Publishers.

Okeke, C. (2018). Igbo language teaching in Nigeria: Challenges and prospects. Journal of Language and Linguistics, 17(3), 1-15.

Uba, P. (2018). Need for language teachers training. Retrieved from http://www.google.com.

UNESCO (1999): World Education Report Teachers and Learning in a Changing World. Paris: UNESCO.

UNESCO (2002): Teacher Education Guidelines: Using Open and Distance Learning Technology, Curriculum, Cost, Evaluation. Paris: UNESCO.

Williams, N. I. (2011). In-service education of teachers: problems and prospects. Retrieved from http://www.vneupress.net/NG-BG1625.